# ETU IJI OKWU IGBO ASỤ ASỤSỤ SI EGOSI EBE ONYE SI

Si N'Aka
Chiamaka Helen Akabuogu
Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.
chiamakaakabogu@gmail.com


## *Ụmị edemede*

*Igbo na-asụ n'olu n'olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. Ọ bụ ya mere e ji nwee olu asụsụ di iche iche n'ala Igbo; a na-akpọ olu ndi. Mpaghara ala Igbo di iche iche nwegasiri olu ndị pugasịrị iche. N'agbanyeghi ndiiche ndi a, ndi Igbo nwere olu asụsụ a maara di ka Igbo izugbe. Olu izugbe a bụ nke onye ọ bụla bụ onye Igbo, maara asụ Igbo na-asụ ma na-aghọtakwa. Nke a na-egosi na e nwere Igbo izugbe onye ọ bụla na-aghota, nwekwaa olu ndi di iche iche, nke o bu naani ndi obodo ahụ na-aghota. Ọ bụ ọnọdụ asụsụ di etu a mere isi okwu nchọcha a ji bụrụ "Etu Iji Okwu Igbo Asụ Asụsụ Si Egosi Ebe Onye Si". Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịtụchapụta ebe ụfọdụ olu Ọka si di iche n'ebe asụsụ izugbe dị. Ihe e bu n'obi wee malite nchọcha a bụ igosipụta ụdi olu ndi e nwegasiri n'asụsụ Igbo. Ọzọ bụ iji gosipụta ndiiche di n'olu ndi ndi a. Ebumnobi ozo bu igosipụta ndịiche dị n'olu ndị Ọka na nke izugbe. A gbasoro usoro Atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ (Ethnolinguistic Vitality Theory) wee mee nchọcha a. Nchopụta nchocha a na-egosi na n'olu Ọka kpọmkwem, na ha na-ewebata ụda /β/ na /ɸ/ iji dochie /f/, /h/ na /b/ na mkpụrụokwu ụfọdụ.Olile anya e nwere na nchocha a bụ na Olu Ọka na Igbo izugbe ga-esite na ya kwudosie ike, ma werekwa ezi ọnọdụ n'ebe asụsụ mba ụwa ndị ọzọ dị.*


## 1.0: Okwu mmalite

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta, ekwurita okwu, ezirita ozi nakwa egosipụta ebumnobi ma ọ bụ mmetụta obi. Asusu bu njirimara obodo dị iche iche. Asụsụ ọ bụla nwere olu asụsụ. Etu a ka ọ dị na Naijiria. N'ala Naịjiria, e nwere ọtụtụ olu asụsụ dị iche iche, mana ọ bụ naanị asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ime ha. Asụsụ ndị ahụ bụ: Awusa, Igbo na Yoruba.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ nke abụọ n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjiria. Ndị na-asụ asụsụ Igbo bụ ndị Igbo. Ha bụ ndị bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjiria. Ha mejupụtara steeti asaa n'ala Naịjiria. Steeti ndị ahụ bụ: Anambra, Enugu, Imo, Abịa, Ebonyi, Delta na Rivers. N'ime steeti ndị a, e nwere ọtụtụ olu ndị dị iche iche. Obodo niile dị n'ime steeti ndị a nwere olu ndị nke ha; o nweghi ndị ya na ibe ha na-asụ otu olu ndị. N'ihi nke a ka e ji si na olu ndị bụ asụsụ aka mkpa.

Dị ka nchọcha a si dị, a ga-elebami anya n'olu ndị Ọka. Obodo a bụ Ọka bụ isi obodo steeti Anambra. O dị n'okpuru ọchịchị ime obodo ọka Saụt. NdịỌka na-asụ asụsụ Igbo mana olu asụsụ ha nwere ụzọ dị iche iche o si dị iche n'olu asụsụ ndịọzọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọ ga-abụ onye Ọka kwuo okwu, a mata na ọ bụ onye Ọka. Olu asụsụ ndị Ọka dị iche na nke ndị Ọnicha, Agụata, Nnewi, Ekwulọbịa w.d.g; n'agbanyeghi na ha niile

dị n'otu steeti. Olu asụsụ Oka anyi na-ekwu maka ya pụrụ nnukwu iche n'Olu asụsụ Nsụka, Nkanụ (n'ime steeti Enugu) Ohaozara, Okpoto, Afikpo na Ezza (n'ime steeti Ebonyi). Ndi a niile bụ naanị ndị obodo ha na-aghọta olu asusu ha. Onodu di otu a anaghi enye oghere mmekorita ha na ndiozo.

N'ihi mkpa mmekọrịta mmadụ na ibe ya na uru nkwukọrịta okwu bara ka e ji wube asụsụ izugbe nke onye Igbo ọ bụla bi n'obodo ọ bụla na steeti ọ bụla na-aghọta. Olu izugbe ma ọ bụ asụsụ izugbe bụ asụsụ ozurumba ọnụ nke a tụrụ anya na onye Igbo ọ bụla ga-ama na-asụ, na-ede, na-agụ ma na-aghọtakwa. Ọ bụ ya ka e ji ede akwụkwọ Igbo ọ bụla ma werekwa ya na-akụzi ihe n'ebe dị iche iche. Ya bụ, na asụsụ izugbe bụ asụsụ zuru ala Igbo niile ọnụ. Ọ bụkwa ya bụ nke a nabatara n'ala Naịjiria dị ka otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe.

Ebumnuche nchocha a bu igosiputa ụdị olu asụsụ digasi n'asụsụ Igbo ma gosiputakwa uzo ha si di iche n'olu izugbe. Ọzọ bụkwa igosipụta olu ndị Oka na ebe o si di iche n'olu izugbe. N'ime nchọcha a, a gbasoro usoro atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ (Ethnolinguistic Vitality) ma gbakwaa ndị mmadụ ajụjụọnụ iji nweta ngwa ọrụ e ji mee nchọcha.

Nchọcha a nwere nkeji anọ, nke mbụ bụ mkpọlite, nke abụọ bụ ntulegharị atụtụ agụmagụ. Nke atọ bụ ntụcha nchọpụta, ebe nke anọ bụ nchịkọta nchọpụta na mmechi. N'isi nke mbụ, e nyere nkọwa asụsụ ma tụpụta ihe ndị a ga-ahụ na nchọcha a. Isi nke abụọ bụ ntulegharị agụmagụ. Ebe a ka a tụpụtara nkọwa ndị odee dị iche iche nyere gbasara asụsụ, olu ndị na olu izugbe ma nyekwa nkọwa gbasara atụtụ e ji mee nchọcha. N'isi nke atọ bụ ntụcha nchọpụta, a tụpụtara ụfọdụ olu ndị na olu ndịỌka ma tulekọrịta ha na olu izugbe. Isi nke anọ bụ nchịkọta nchọpụta na mmechi. N'ebe a ka a chịkọtara ihe niile a chọpụtara na nchọcha a. Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị uru ọ kachasị ndị amụmamụ sayensị asụsụ. ọ ga-abakwara ndị Igbo nile uru bakwaara ndị na-eme ntulekọrịta asụsụ uru.

## 2.0: Ntulegharị Agụmagụ

N'ebe a, e nyere ma tulee nkọwa ndị odee dị iche iche nyere gbasara asụsụ, olu ndị, asụsụ izugbe na atụtụ nchọcha.

## 2.1: Ntulegharị Agumagu

### 2.1.1: Asụsụ

Asụsụ bụ ụmị ntụgharị uche mmadụ na ibe ya. Mmadụ ịsape anya mara ihe na-aga n'ụwa na mgbe o ji aga anaghị adị mfe ma e jighi asụsụ (Umeodịnka na Ugochukwu 2016). Ya bụ na asụsụ bụụzọ mmadụ na ibe ya hibere ha si enwe mmekọrịta. N'ihi nke a, Mbah, Anagbọgụ na Eme (2010) hụtara ya dị ka ụzọ mmadụ wepụtara nke ha ga-eji na-enwe mmekọrịta, na-ekwupụta echiche na ebumnobi ha, ọchịchọ na ihe ndịọzọ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Ọfọmata (2012) kwuru na ọ bụrụ na asụsụ adịghị, mmadụ na mmadụ ibe ya inwe mmekọrịta ga-ahịa nnukwu ahụ, na ọ bụ asụsụ ka e ji eme ihe dum mmadụ na ibe ya na-eme.

Seinde (1985) kwuru na asụsụ bụ ihe kacha mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Prasad (2009) hụtara asụsụ dị ka usoro nzirịta ozi site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Ofọegbu (2008) hụtakwara ya dị ka ụzọ naanị mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta.

Umeodịnka (2020) gara n'ihu kọwaa asụsụ dị ka ụzọ mmadụ mebere ya na ibe ya ga-eji na-ezipụta ebumnobi na ọchịchọ ha site n'ụdaasụsụ nke e ji njiakpọ emepụta.

Site na nkọwa ndị a, a ga-ahụ na asụsụ bụ mmadụ nwe ya na ọ bụghị anụọhịa. Asụsụ anọkataghị dị, o nwere ndị mebere ya (Umeodịnka, 2020). Asụsụ bụkwa ngwa nzirita ozi, o nwere ike bụrụ n'ụdị akara ma ọ bụọdịmara mana ihe kacha pụta ihe bụ na onye e zigaara ozi nụrụ ma ghọta ozi e ziri ya.

Anọzie (1999) kọwara asụsụ dị ka ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche. Crystal (1971:) kọwakwara ya dị ka ụda olu mmadụ a haziri ahazi n'ụdịọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya mebere  e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ edemede.

Fromkin, Rodman na Hyams (2011) mere ka anyị mata na mgbe ọ bụla mmadụ na ibe ya bịakọrọọnụ, ma ha akpara nkata ma ha a lụrụọgụ, na ha ga-ekwuriri okwu. Ha gara n'ihu kwuo na anyi bi n'ụwa asụsụ. N'igosi mkpa asụsụ dị, ha tụpụtara otu agbụrụ dị n'Afrịka ndị ejighi nnwa a mụrụọhụụ kpọrọ ihe, ha anaghị agụnye ya na mmadụ ganye na o bido kwube okwu.

Aristotle n'ime Wen (2014) kwuru na asụsụ ga-enwerịrịụda nwere nghọta  nke mmadụ dị ndụ ga-eji njiakpọ dị iche iche wee mebe. Finegan (2008) kọwara asụsụ dị ka nchịkọta mmebere na usoro e si ewekọta mmebere ndị a ma tinye ha n'ụdị a ga-eji zipụta ọchịchọ na mmetụta obi.

Chomsky (1957) kwukwara na mmadụịma asụsụ bụ mmadụ imepụtali ọtụtụ ahịrịokwu ekwubeghi mbụ ma ghọtakwa ọtụtụ ahịrịokwu ndị anụbeghi mbụ. O kwukwara na mgbe mmadụ na-amụ asụsụ, na ọ na-abịakete nso n'igosipụta uru mmadụ bara. O kwukwara na ọ bụ njirimara gbara ọkpụrụkpụ nke bụ naanị mmadụ nwere.

Fromkin, Rodman na Hyams (2011) kwukwara na mmadụịma asụsụ bụ imepụta ụda nwere nghọta n'asụsụ ahụ. Ha gakwara n'ihu kwuo na asụsụ karịrị ekwurekwu. N'ihi na ndị ogbi na-eji akara na ọdịmara ekwurita okwu ma na-aghọtakwa onwe ha dị ka ndị ji ụda ekwurita okwu. Ha kwuputakwara na tupu mmadụ asị na ọ marala asụsụ, ọ ga-amatarịrịụda, akara na ọdịmara ndị dị n'asụsụ ahụ. Ịma usoro ụda asụsụ agụnyeghi naanị mmepụta ụda kama ịmata ụda ndị nwere ike ịmalite mkpụrụokwu na kwa ndị nwere ike ijedebe ya.

Robert na Crystal (2000) kọwara asụsụ dị ka nchịkọta mkpụrụ okwu, akara na ọdịmara n'ụdị ekwurekwu ma ọ bụ ederede nke mmadụ dị ka ndị nọ n'otu ma na-egosikwa omenala ha ji enwe mmekọrịta. Ha gara n'ihu kwuo na uru asụsụ bara gunyere nzirita ozi, nkọwa onwe, egwuregwu, iche echiche na igosi mmetụtaobi.

Henry Sweet (1899) n'ime Robert na Crystal (2000) kwuru na asụsụ bụ igosipụta echiche site n'udaasụsụ e tinyere na mkpụrụ okwu, mkpụrụ okwu e tinyere n'ahịrịokwu. Bloch na Trager (1942) n'ime Robert na Crystal (2000) kọwakwara asụsụ dị ka usoro mmepụta ụda nke otu otu ji emekọrịta.

Site na nkọwa ndị a, a ga-ahụ na nkọwa asụsụ gbadokarịrịụkwụ n'ihe mmadụ ji aka ya mebe na-enweghi mmanye ọ bụla nke e ji ezipụta echiche. N'ekwurekwu, akara na ọdịmara sitere na mkpọtụ a na-anụ mgbe njiakpọ dị iche iche metụtara. N'iji akara sụ asụsụ, ọdịmara ndịa nwere ike bụrụ imeghari aka ma ọ bụ akụkụ ahụ dị iche iche. Site n'akara ndị a, mmadụ na-enwe ike izirita ozi, gosipụta echiche na mmetụtaobi ha, tunyere mmadụ aro, meta enyi na ihe ndịọzọ ga.

Chomsky (1957) kọwara asụsụ dị ka nchịkọta ahịrịokwu dị iche iche, nke ọ bụla zuru oke n'onwe ya nke sitere na mmebere asụsụ ahụ. Asụsụ niile nwere mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụ edide nke ha. Ọ bụkwa mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụ edide ndị a ka e ji emebe ahịrịokwu. Asụsụ a bụkwazi akara na ọdịmara a haziri n'usoro (Ferdinand de Saussure,1916). O bụ njikọrọ echiche na ụda, bụrukwa ụzọ e si egosipụta echiche. Echiche na ụda na-abịakọta ọnụ iji mebe asụsụ.

N'ikowa asusu, Harimurti (1993) na-ekwu na o bu usoro ụda na ọdịmara nke mmadụ ji aka ya mebe ha ga-eji na-akparịta ụka, akọwa onwe nakwa arụrịta ọrụ. Haviland (2003) kọwara asụsụ dị ka usoro ụda a gwakọrọọnụ nke nwere iwu na-achịkwa ya ma nwee nghọta n'ebe ndị mebere ụda ahụ nọ.

Wibowo (2001) hụtara asụsụ dị ka usoro ọdịmara nwere nghọta nke na-emepụta ụda nke otu ndị mebere ha ji ezirita ozi ma na-egosikwa echiche na mmetụta obi.

Site na nkọwa ndị a, a ga-ahụ na asụsụ bụ usoro ekwurekwu ma ọ bụ ederede, akara ma ọ bụọdịmara nke mmadụ ji ezirita ozi n'ụdịụda. Asụsụ bụ usoro. Nke a gosiri na e nwere ihe ndị mebere ya, ọ bụụda, akara ma ọ bụọdịmara mebere asụsụ. Mgbe mmadụmepụtara ụda nwere nghọta, ọ bụ akara ma ọ bụọdịmara dirila mmadụ n'ụbụrụ isi na-eme ka ọ ghọta ụda e mepụtaara ya.

Finocchiaro (1989) hụtara asụsụ dị ka usoro ụda mmadụ mebere nke otu omenala ma ọ bụ ndị mụrụla omenala ahu ji ekwurita okwu. Wardhaugh (2011) kwukwara na asụsụ bụ usoro ụda na ọdịmara mmadụ mebere ya na ibe ya ga-eji na-emekọrịta. Francis (1965) hụtara ya dị ka usoro ụda nke otu otu wepụtara ha ji enwe mmekọrịta. Gumperz (1972) hụtara ya dị ka usoro iwu nke na-enyere ndị na-asụ asụsụ aka ịtapị ozi n'ụdịụda.

Asụsụ bụ usoro a haziri nke ukwuu nke akụkụ ya niile nwere ihe dị ezigbo mkpa ha na-ezipụta (Boey,1975). Site na nkọwa ndị a, anyị ga-ahụ na asụsụ dị ka usoro nwere usoro nta abụọ n'ime ya, ha bụ: usoro nta kenghọta na usoro nta keụda. Usoro nta keụda enweghi nghọta n'ime ya ma ọ bụ ya mebere usoro nta kenghọta maka na e wezuga ụda, e nweghi nghọta.

Asụsụ dị ka ụzọ e si ezipụta mbunuche mmadụ, mmekọrịta mmadụ ma ọ bụ ihe mmadụ chọrọ site n'ụda ma ọ bụkwa akara ederede (Mbah na Mbah, 2001).

### 2.1.2: Olu ndị

Stonehill, Westlea na Fuller (1979) mere ka anyị mata na Chineke jiri ọtụtụ asụsụ tinye nsogbu n'etiti ndị Babylon, oge ha na-arụụlọ ga-eru n'eluigwe. Ndị agbụrụ a bịara gbasaa nke wetara ọtụtụ asụsụ n'elu ụwa taa. N'ime asụsụ dị iche iche a na-asụ n'ụwa, e nwere olu ndị iche iche e ji asụ ya. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere olu asụsụ dị iche iche

nke gunyere: olu Ọka, olu Ọnịcha, olu Izii, olu Ezeagụ, olu Nsụka, olu Owere, olu Asaba wdg.

Hudson (1980) dere na olu asụsụ malitere na Grik mgbe e nwere ọtụtụ olu dị iche iche e ji asụ klasikal Griis. Olu ndị a niile dịgbado iche n'ụdị mkpụrụokwu ma n'ahịrịokwu. Canochan na Iwuchukwu (1963) n'ime Ozo-Mekuri (2016) lebara anya na mgbanwe a na-enwe n'asụsụ dị ka ọ dị n'asụsụọ bụla. Di ka ha siri chọpụta, n'Owere, a na-akpọ*body – "ahụ"*,ebe a na-akpọ otu okwu ahụ "*arụ"* n'ọka, na-akpọ ya "*ashụ"* n'Asaba, "*esu"* n'Aboh (akụkụ Delta) na "*ehyụ"* n'Agbo.

Hornby (1974) hụtara ya dị ka ụdị asụsụ nwere ọtụtụ okwu e depụtara n'usoro na mkpọpụta otu ndị bi n'akụkụ obodo ji akparịta ụka. Ezeụmụdọ (1985) kọwara ya dị ka olu ndị ahụ dịgasị iche iche mba dị iche iche ji asụ otu ụdị asụsụ. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụghị otu olu ka e ji asụ asụsụ, kama na ọ bụ olu ndị a ka e ji amata mba dị iche iche. Anọzie (1999) kpọrọ ya olu asụsụ ma kọwaa ya dị ka asụsụ ndị ime obodo nke mkpọpụta okwu ya nwere ọtụtụ ndịiche n'okwu e depụtara n'usoro nke ndị na-asụ ya bikọrọọnụ n'otu ogbe.

Nwaozuzu (2005) kọwara n'ime akwụkwọ o bipụtaghị na olu ndị bụ ndịiche dị n'otu asụsụ na mgbasa obosara ala dị ka o siri metụta ndị na-asụ asụsụ ahụ. Olu ndị dị ezigbo mkpa n'asụsụ. O bụ ya ka Oruchalụ (1987) ji kọwaa na mgbe ochie, na mmadụ ebikọtaghịọnụ. Ha gbasara agbasa. Ndịọ bụla nọọrọ ebe ha bi ma mepụta asụsụ Igbo nke ha ọ dịtụ iche na nke ndịọzọ ma ha jiri ya na-akparịta ụka. Ọ bụ ihe ndị a na-eme na ebe onye nọrọ sụọ igbo, e site na mkpụrụ okwu mebere ihe o kwuru mata akụkụ ala Igbo o si.

Anọzie (1999) dere na ọ bụrụ na o nwere asụsụ dị n'ụwa a nwere olu ndị dị iche iche e ji asụ ya, mara na ọ bụ asụsụ Igbo. Nke a mere S.C. Schone jiri taa ahụhụ lara ya n'efu oge ọ bịara nkuzi ụka n'ala Igbo. O nwere mmasịịmụ asụsụ Igbo n'ihi na ọ ga-adịrị ya mfe iji ya kuziere ha ụka. Oge ọ chọzịrị iji ya kuzibe ihe ka ọ matara na ọ bụ otu olu ndị asụsụ Igbo ka ọ mụrụ n'ihi na ndịọ na-agwa okwu aghọtaghị ihe ọ na-ekwu. ọ bụ mgbe ahụ ka o jiri mata na asụsụ Igbo nwere imirikiti olu e ji asụ ya.

### 2.1.3: Olu izugbe

N'ịhụ na ụdị nhịamahụ dị otu a belatara ka ụfọdụ ndị ji gbaba mbọịchikọta ọtụtụ olu dị iche iche dị n'asụsụ Igbo iji nweta olu ga-abụ ozurumba ọnụ. O bụ olu dị otu a ka a kpọrọ asụsụ izugbe (Anọzie,1999).

Ezeụmụdọ (1985) kọwara olu izugbe dị ka nchịkọba ọnụ a chịkọbara olu mba dị iche iche. Nke a pụtazịrị na o nweghi mba kwesiri ịsi na Igbo izugbe ma ọ bụ asụsụọ bụla nwerela olu izugbe bụ olu nke ndị be ha ka e jiri mebe asụsụ izugbe ha (Anọzie, 1999). Emenanjọ (1985) kwuru na Igbo izugbe adabaghị n'olu ndịọ bụla, kama ọ bụ Igbo gbadoro ụkwụ na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.
Asụsụ Igbo izugbe mere ka e nwee otu ihe jikọrọ ndị Igbo ọnụ dị ka otu obodo, mekwaa ka mmekọrita dị n'etiti mmadụ na ibe ya (Oparah, 2016). Igbo izugbe bụ nna ebe olu ndị dị iche iche dị n'ime ya bụụmụ ya. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụrụ na e nweghi Igbo izugbe, a gaghị enwe olu ndị (Oparah,2009).

**2.2: Atụtụ Mgbakwasa Ụkwụ:** Ebe a ka a ga-akowa atụtụ a.

### 2.2.1: Nkọwa atụtụ

Atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ (Ethnolinguistic Vitality) bụ atụtụ nke Bourhis, Giles na Taylor wepụtara n'afo 1977. Imụ asụsụ mba ozo na-ewụzi ewu n'oge ugbu a, ọmụmụ ya na-eweta mgbanwe n'etu asụsụ ahụ dịbu. Ọnọdụ dị etu a na-akwalite ma na-ahazi asụsụ. O na-emekwa ka ike asụsụ ahụ na-ala elu. Ọ bụrụ na ọnọdụ ịmụ otụtụ asụsụ a emetụta asụsụ etu adịghị mma, ọ na-eme ka ndị nwe asụsụ ahụ nwebezie mmasi n'asụsụ mba ozo ahụ. Onodụ di otu a na-eduba asụsụ nne n'ụzoonwụ ya. Na nkọwa Giles, Bourhis na Taylor (1977:308), ihe na-akwalite asụsụ agbụrụ bụ ihe mere agbụrụ ahụ ji akpakarị agwa dị iche mgbe agbụrụ dị iche iche bịakọtara ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ na agbụrụọ bụla na-esiwanye ike ma na-agawanye n'ihu site na ndịiche ha nwere n'ebe agbụrụ ndịọzọ dị. Ndiiche a nwere ihe ato mebere ya: ọkwa, ọnụọgụgụ ha na otu ndị na-akwalite ha. Tupu a sị na ogogo agbụrụ a dị elu, n'etiti ma ọ bụ ala, a ga-elebarịrị anya n'ihe atọ ndị a.

### 2.2.2: Orụ E Ji Mara Atụtụ a

E ji atụtụ a amata ka ndi new asụsụ si emeso asụsụ ha omume. N'ime nke a,o na-eleba anya na nkwalite asụsụ nne, omụmụ asụsụ nke abụo, agwa ndi nwe asụsụ na-akpaso asụsụ na onodụ asụsụ no. Atụtụ a bụkwa ngwa orụ e ji eleba anya na mmekorita mmadụ na ibe ya di ka o si metụta sayensi asụsụ nke mmerenotu(Umeodinka na Ugochukwu, 2018).

### 2.2.3: Iwebata Atụtụ a N'Orụ

A na-agbaso usoro di iche iche were ewebata atụtụ a n'orụ. Nke mbụ bụ na, a na-amata ụdi agwa ndi mmadụ na-akpaso asụsụ ma si na ya mata ụdi atụmatụ a ga-eji nyere asụsụ ahụ aka. Ozo kwa, a ga-achopụta ihe kpatara ndi mmadụ ejighi enwe mmasi n' asụsụ nne ha. A ga-achoikpalitekwa mmụo ha imụ asụsụ ha. E jikwa atụtụ a achopụta agwa ndi nwe asụsụ na-akpaso asụsụ ha.

### 2.2.4: Ka Atụtụ a Si Gbanwe

Atụtụ a adila ụdi abụo na mgbanwe. Nke mbụ bụ atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ nke e ji achopụta ma asụsụ enwere ike ka o bụ na o nnweghi. ụdi atụtụ a bụ nke eziokwu. Nke mgbanwe putara ohuu bu nke e ji agba ndi mmadu ajujuonu iji mata ogogo ha no n'asusu ha. O bu Bourhis, Giles na Rosenthal (1981) weputara usoro a nke o kporo "Subjective Ethnolinguistic Vitality Questionaire" n'asusu Bekee.

### 2.2.5: Ebe Atutu a Riri Mperi

Pavlenko na Blackledge (1993) gara n'ihu tụchapụta ebe atutu a riri mperi. Ha kwuru na mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na nkọwa onwe buru ibu ma nwekwaa alaka dị iche iche. Ha kwukwara na o metụtara aka n'otu dị iche iche nke atụtụ a emetughi aka. Husband na Khan (1982) kwukwara na atụtụ a agbasoghi ụzọ eziokwu. Ha (1982) gara n'ihu kọchaa atụtụ a, ma na-ekwu na ihe ndị na-egosipụta ogogo agbụrụ dị mpụtaraukwu. Ha kwukwara na ọ dị ntị njọịsị na asụsụ nọ n'ogogo elu, etiti ma ọ bụ ala. Yagmur na Ehala (2011) kwukwara na n'itinye atụtụ a n'ọrụ, na atụtụ a elebaghị anya n'otu nkwalite nke agbụrụ ji aka ha wube iji nyere onwe ha aka.

Enete (2014) kwupụtara na n'agbanyeghi na atụtụ a riri ọtụtụ mperi ma na mperi ya ebudaghị ya kama o nyeere aka hazie ya maka emem nchọcha. Atụtụ Ike Asụsụ Agbụrụ gbalịrị nke ọma n'ịkọwapụta ọnọdụ agbụrụ na asụsụ ha nọ, ihe ndị na-enyere ha aka ikwụdosi ike n'ụzọ asụsụọ bụla nwere ike isi wee daa. Na nchịkọta, ọ bụ asụsụ mebere agbụrụ, ọ bụrụ na agbụrụ etufuo asụsụ ha, agaghị ahụtazị ha ka agbụrụ nọọrọ onwe ha, ọ bụrụ ya bụ na ama ha echiela.

**3.0: NTỤCHA NCHỌPỤTA**

N'ebe a ka e wepụtara olu ndị Igbo dị iche iche ma họrọ ụfọdụ n'ime ha tulekọrịta ya na Igbo izugbe. E wepụtakwara olu ndị Ọka ma gosipụta ebe o si dị iche n'Igbo izugbe.

**Okwasa 1**

**3.1: Ntụcha Olu ndị Igbo Dị Iche Iche**

E nwere ọtụtụ olu ndị n'asụsụ Igbo, mana dị ka nchọcha a siri

| S/N | ỌKA | IZII | NSỤKA | IGBO IZUGBE | ASUSU BEKEE |
|---|---|---|---|---|---|
| i | Arụ | Anụ ehu | Eshi | Ahụ | Skin |
| ii | Mmadị | Nemadzụ | Onyene | Mmadụ | Person |
| iii | Onye ala | Onye ọbvụ | Oonye era | Onye ara | Mad person |
| iv | Ebune | Ebili | Ebule | Ebili | Ram |
| v | Ewu | Eghu | Ewu | Ewu | goat |
| vi | Nyana | Yele | Ne | Na | And |
| vii | Mmili | Mini | munyi | Mmiri | Water |
| viii | ịtọ | tọọ | Eto | atọ | Three |
| Ix | ịbụọ | Tebo | Ebo | abụọ | Two |
| x | Ikolobịa | nwokorobịa | nwaonyeke | nwa okorobịa | a youthful man |

dị, anyi ga-emetụta aka na myiri na ndịiche dị n'olu ndịỌka, Izzi, Nsụka na olu izugbe. A ga-egosipụta mkpụrụokwu dị iche iche, ihe olu ndị ndị a na-akpọ ya na ihe a na-akpọ ya n'asụsụ izugbe.

Na mkpụrụ okwu ndị a dị n'elu, a ga-ahụ na obodo dị iche iche na-asụ n'olu n'olu ma ọ bụ asụsụ Igbo ka ha niile na-asụ. N'ọmụma atụ ndị a, a ga-ahụ na ụfọdụ mkpụrụ okwu dabara n'ihe a na-akpọ ya n'olu izugbe ebe ọtụtụ n'ime ha adabaghị. Na mkpụrụ okwu ndị sitere n'olu ndị ndị a, a ga-ahụ na e nwere mkpụrụụda asụsụ ndịiche nke mere olu ndỊ ndị ahụ ji dị iche n'onwe ha. Iji maa atu, na (iii), ha niile nwere "onye",

mana okwu na-eso ya di iche. N’okwu na-eso ya, nke Oka bu “ala”, Izii bu“obvu”, Nsuka bu era, ebe Igbo izugbe bu “ara”. Etu a ka o di na (viii) ebe e nwere” ito”, “too”, “eto”, na “ato” n’otu n’otu. O bụ ndịiche ndị a na-eme na mmadụ sụọ asụsụ, a mara akụkụ ala Igbo ebe o si.

**3.2: Ntule Olu ndị Oka na Olu Izugbe**

N’ebe a, a ga-ezipụta ụzọ dị iche iche olu ndịỌka si dị iche n’Igbo izugbe. A ga-eme ntule a site n’ịgbado ụkwụ n’ihe ndị a:


1: Usoro mkpọpụta
2: Ụtọasụsụ
3: Mkpụrụ okwu
4: Usorookwu

N’usoro mkpọpụta, a ga-eleba anya n’ụdaasụsụ ndị adịghị n’Igbo izugbe nke ndịỌka na-ewebata na mkpụrụ okwu ha. N’ụtọasụsụ, a ga-eleba anya na tensị dị iche iche, njụ na ntimiwu. Na mkpụrụokwu, a ga-egosipụta mkpụrụ okwu ndịọzọ dị iche na nke izugbe dị ka o si metụta mwube okwu. N’usoro okwu, a ga-atụle ụfọdụ usoro okwu ndịỌka na nke izugbe iji gosi ka ha si etinye mkpụrụokwu ụfọdụ n’ahịrịokwu.

**3.2.1: Usoro Mkpọpụta**: E nwere ụfọdụụdaasụsụ ndị adịghị n’ Igbo izugbe nke ndịỌka na-ewebata n’asụsụ ha. Ụda ndị ahụ bụ /β/ na/ɸ/. Ha bụụdachịị keegbugbere ọnụ abụọ. E zipụtakwara ụda ndị a na chaat mkpụrụụda asụsụ ozuruụwa ọnụ (IPA chart). A na-agụnye ụda ndị a n’ụdaasụsụ Igbo n’ihi na ha dị n’olu ndị asụsụ Igbo.

**Ọkwasa 2**

Chaat IPA



THE INTERNATIONAL PHONETIC ALPHABET (revised to 2005)

CONSONANTS (PULMONIC) 57 © 2005 IPA

| | Bilabial | Labiodental | Dental | Alveolar | Postalveolar | Retroflex | Palatal | Velar | Uvular | Pharyngeal | Glottal |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Plosive | p b | | | t d | | ʈ ɖ | c ɟ | k g | q ɢ | | ʔ |
| Nasal | m | ɱ | | n | | ɳ | ɲ | ŋ | ɴ | | |
| Trill | ʙ | | | r | | | | | ʀ | | |
| Tap or Flap | | ⱱ | | ɾ | | ɽ | | | | | |
| Fricative | ɸ β | f v | θ ð | s z | ʃ ʒ | ʂ ʐ | ç ʝ | x ɣ | χ ʁ | ħ ʕ | h ɦ |
| Lateral fricative | | | | ɬ ɮ | | | | | | | |
| Approximant | | ʋ | | ɹ | | ɻ | j | ɰ | | | |
| Lateral approximant | | | | l | | ɭ | ʎ | ʟ | | | |

Where symbols appear in pairs, the one to the right represents a voiced consonant. Shaded areas denote articulations judged impossible.

A ga-egosipụtakwa olu ndị Ọka ebe ụda ndị a pụtara ihe ma gosikwa mkpụrụokwu ndị ahụ n’Igbo izugbe na Bekee.

**Ọkwasa 3**

| s/n | Mkpuru okwu Igbo Izugbe | mkpoputa ya n'Igbo izugbe | Mkpọpụt ya n'olu ndi Oka | Ogbo ya n'asusu Bekee |
|---|---|---|---|---|
| I | Ha | /ɦa/ | /βá/ | Them |
| Ii | Fepu | /fepu/ | /ɸéfù/ | Fly away |
| Iii | Ribe | /ribe/ | /rìɸé/ | Be eating |
| Iv | Ihe | /iɦe/ | /íβé/ | Thing |
| | Ofe | /Ofe/ | /óɸé/ | Soup |
| Vi | Aha | /aɦa/ | /áβà/ | Name |
| Vii | ụfọdụ | /ufɔdu/ | /ùβɔdú/ | Some |
| Viii | Mbọ | /mbɔ/ | /mvɔ/ | Nails |
| Ix | Ahia | /aɦja/ | /áɸíá/ | Market |
| X | ọrụ | /ɔru/ | /ɔlú/ | Work |

E lee anya na mkpụrụ okwu ndị a, anyị ga-ahụ na mkpọpụta mkpụrụokwu ndị a n'olu ndịỌka dị iche na nke izugbe. N'olu ndịỌka, e webatara ụdaasụsụ abụọ (/ɸ/ na/β/) ndị adịghị n'olu izugbe ma were ha na-anọchi anya /f/,/b/ na /h/ n'ụfọdụ mkpụrụ okwu. Ndịiche na mkpọpụta a anaghị apụta ebe ọ bụla a hụrụụda ndị a n'olu izugbe kama, ọ bụ naanị n'ụfọdụ mkpụrụokwu ka mgbanwe a na-abata.

**3.2.2: Ụtọasụsụ**: N'ebe a, a ga-eleba anya na tensị dị iche iche, ma gosipụtakwa njụ na ntimiwu dị ka o si metụta olu Ọka na Igbo izugbe.

Ọmụma atụ (no1) Tensi Ndinihu
1(a) Olu izugbe: Ọ gà-àbíá échï.
1(b) Olu Ọka: Ọ yà-àbíá échï.
1(c) Asusu Bekee: He will come tomorrow.
2(a) Olu izugbe: Ḿ gà-èrí nrï.
2(b) Olu Ọka: Ḿ mà-èlí nnï.
2(c) Asusu Bekee: I will eat.
3(a) Olu izugbe: Ágà m àgá ákwukwo échï.
3(b) Olu Ọka: Ḿ mà-èjé ákwụkwọ échï.
3(c) Asusu Bekee: I will go to school tomorrow.
4(a) Igbo izugbe: Ànyi gà-ènwé nzùkọ n'ízù ụkã ọzọ.
4(b) Olu Ọka: Ànyi yà-ènwé ìzù n'ízù ụkã ọzọ.
4(c) Asusu Bekee: We will have our meeting neut week.
5(a) Olu izugbe: Únù gà-èkwú ókwü n'ọgbákọ áhụ.
5(b) Olu Ọka: Únù yà-èkwú ókwü n'ìzù ànwụ.
5(c) Asusu Bekee: You will talk in that meeting.

E lee anya n'ọmụma atụ no 1, a ga-ahụ na nnyemaka ngwaa bụ "ga" na-esote nnọchionye na-agbanwe bụrụ "ya" n'olu ọka. O na-esotekwa nnọchi onwe, ọ na-agbanwekwa bụrụ "ma".

**Ọmụma atụ: no 2: Tensi Ndi Ugbu a**

1(a) Olu izugbe: Ọ nà-èrí jï.
1(b) Olu Ọka: Ọ nà-èlí jï.
1(c) Asusu Bekee: He is eating yam.
2(a) Olu izugbe: Ọ nà-èkwú ókwü.
2(b) Olu Ọka: Ọ nà-èkwú ókwü.
2(c) Asusu Bekee: He is talking.
3(a) Olu izugbe: Ọ nà-àgá áhïã.
3(b) Olu Ọka: Ọ nà-èjé áfvïã.
3(c) Asusu Bekee: he is going to the market.
4(a) Olu izugbe: Ọ nà-èré òròmá.
4(b) Olu Ọka: Ọ nà-èlé òlòmá.
4(c) Asusu Bekee: She is selling oranges.
5(a) Olu izugbe: Ọ nà-èdé íhë.
5(b) Olu Ọka: Ọ nà-èdé ífvë.
5(c) Asusu Bekee: She is writing.

N'ọmụma atụ no 2, anyị ga-ahụ na ndịiche pụtara naanị n'ụfọdụ mkpụrụokwu di ka n' "eri" na "eli", "ere" na "ele", "oroma" na "oloma" ebe usoro nzipụta tensị ndịugbua bụkwa otu ihe.

**Ọmụma atụ: No 3: Tensi Ndinazu**

1(a) Olu izugbe: Ó kwùrù ókwú.
1(b) Olu Ọka: Ó kwùlù ókwú.
1(c) Asusu Bekee: He spoke.
2(a) Olu izugbe: Ó rìrì **ń**rí.
2(b) Olu Ọka: Ó lìlì **ń**ní.
2(c) Asusu Bekee: He ate food.
3(a) Olu izugbe: Ó gwùrù ílì.
3(b) Olu Ọka: Ọ wàlì ínyì.
3(c) Asusu Bekee: He dug a grave.
4(a) Olu izugbe: Ó dèrè íhé àhù n'ákwụkwọ.
4(b) Olu Ọka: Ó dèlì ífvé ànwú n'ákwụkwọ.
4(c) Asusu Bekee: He wrote it on a paper.
5(a) Olu izugbe: Ọ gbãdàrà àlà.
5(b) Olu Ọka: Ó gbëdèlụ ànà.
5(c) Asusu Bekee: he went down the stairs.
N'ọmụma atụ no 3, anyị ga-ahụ na e nwere ndịiche na ngwaa ndị mebere ahịrịokwu ndị a. Nke kacha pụta ihe bụ mgbakwunye nsonazụ, n'olu ndịỌka, a na-ewepụ "r" ma were "l" dochie ya; mgbe ụfọdụ, ụdaume na-agbanwekwa.

**Ọmụma atụ: No 4: Tensi Ndimechaa**

1(a) Olu izugbe: Nwókë áhu àbịálá.
1(b) Olu Ọka: Nwókë ànwu àbịágó.
1(c) Asusu Bekee: That man has come.

2(a) Olu izugbe: O gábálá áhịã.
2(b) Olu Ọka: Ó jéfvégó áfvịã.
2(c) Asusu Bekee: She has gone to market.
3(a) Olu izugbe: Ó kwúólá áhà yá.
3(b) Olu Ọka: Ó kwúgó áfvà yá.
3(c) Asusu Bekee: He has said his name.
4(a) Olu izugbe: Ó ríélá nrï.
4(b) Olu Ọka: Ó lígó nnï.
4(c) Asusu Bekee: He has eaten.
5(a) Olu izugbe: Ọ kwoọlá ákã yã.
5(b) Olu Ọka: Ọ kwọgó ákã yã.
5(c) Asusu Bekee: He has washed his hands.

N'ọmụma atụ no 4, a ga-achọpụta na ndịỌka na-eji "go" were anọchi anya nsonazụ "la" nke na-etinye ngwaa na tensị ndịmechaa.

**Njụ:** N'igosipụta njụ n'asụsụ Igbo izugbe, a na-etinye mgbakwunye nsonazụ "ghị" n'isi ngwaa iji mee ka ngwaa ahụ dị n'udi okwu njụ. Ma n'olu ndịỌka, ha na-ewere "r" gbakwunyere ya ụdaume dabara adaba iji mepụta njụ.

**Ọkwasa 4**
**Omuma atu: No5: Okwu Nju**

| s/n | Igbo izugbe | Olu ndiOka | Asusu Bekee |
|---|---|---|---|
| i | Bịághi | Bịárã | Didn't come |
| ii | Jéghï | Jérë | Didn't go |
| iii | Kwúghï | Kwúrõ | Didn't speak |
| iv | Déghï | Dérë | Didn't write |
| v | Ríghï | Lírë | Didn't eat |
| vi | Tághị | Tárã | Didn't chew |
| vii | Zághị | Zárã | Didn't sweep |
| viii | Sághị | Sárã | Didn't wash |
| ix | Chúghï | Chúrõ | Didn't fetch |
| x | Síghï | Shírë | Didn't cook |

Lee ka e si eziputa mkpuruoku ndi a di n'elu n'ahiriokwu. A ga-eziputa ya n'olu ndiOka na Igbo izugbe.

1(a) O biaghi ebe a taa.
1(b) O biara ika a taa.
1(c) He didn't come here today.
2(a) O jeghi ahia n'ututu.
2(b) O jere afvia n'ututu.
2(c) She didn't go to the market in the morning.
3(a) O kwughi okwu n'ogbako ahu.
3(b) O kwuro okwu n'izu anwu.
3(c) He didn't speak in that meeting.

4(a) O deghi ihe n'akwukwo.
4(b) O dere ifve n'akwukwo.
4(c) He didn't write anything.
5(a) O righi nri ahu.
5(b) O lire nni anwu.
5(c) He didn't eat that food.
6(a) Ataghi m azu n'abali.
6(b) Atara m azu n'a]ashi.
6(c) I didn't eat fish last night.
7(a) O zaghiulo.
7(b) O zara ulo.
7(c) She didn't sweep the house.
8(a) O saghi afere ahu.
8(b) O sara efvele anwu.
8(c) She didn't wash that plate.
9(a) O chughi mmiri.
9(b) O churo mmili.
9(c) He didn't fetch water.
10(a) O sighi nri n'ututu.
10(b) O shire nni n'ututu.
10(c) She didn't cook in the morning.

**Ntimiwu:** E nwere ndịiche na-apụta n'izipụta ntimiwu n'olu ndịỌka. N'ebe a, a ga-ezipụta ya n'ụdị ntimiwu nkwe na ntimiwu njụ.

**Ọkwasa 5**
**Ọmụma atụ: No 6: Ntimiwu Nkwe:**

| s/n | Olu izugbe | Olu ọka | Asusu Bekee |
|---|---|---|---|
| i | Kwùó | Kwùó | Speak |
| ii | Rìé | Lìé | Eat |
| iii | Sìé | Shìé | Cook |
| iv | ṅuo | Nnwụọ | Drink |
| v | Gàá/jee | Jèé | Go |
| vi | Pụọ | fụọ | Leave |

N'ebe a, anyị ga-ahụ na ọ bụ otu usoro ka Igbo izugbe na olu ndị Ọka gbasoro naanị ihe dị iche bụ mkpọpụta mkpụrụokwu di ka n'omuma atu ii, iii, iv, na vi. NdiOka were "l, sh, nw, na f" wee dochie anya " r, s, ], na p" na mkpuru okwu ndi ahu; mana ọ bụ otu usoro ka ha na-agbaso n'izipụta ntimiwu nkwe.

**Ọkwasa 6**
**Ọmụma atụ: NO 7: Ntimiwu Njụ**

| s/n | Igbo izugbe | Olu Ọka | Asusu Bekee |
|---|---|---|---|
| i | Érïlã | Érïnë | Don't eat |
| ii | Ékwülã | Ékwünë | Don't speak |
| iii | Ésïlã | Éshïnë | Don't cook |
| iv | Áṅulã | Ánwunã | Don't drink |
| V | Éjëlã/Ágãlã | Éjënë | Don't go |

N'ọmụma atụ no 7, anyị ga-ahụ na n'olu ndịỌka, na a na-ewepụ mgbakwunye nsonazụ a bụ "la" ma were "n" na ụdaume "a" ma ọ bụ "e" tinye n'ebe dabara adaba wee dochie ya.

**3.2.3: Mkpụrụ okwu**: E nwere ọtụtụ mkpụrụ okwu ndịiche n'olu ndịỌka na Igbo izugbe. N'ebe a, anyị ga-ezipụta ụfọdụ mkpụrụ okwu n'olu ndịỌka na Igbo izugbe ma zipụtakwa ha n'asụsụ Bekee.

**Ọkwasa 7**
**Ọmụma atụ: No 8: mkpuru okwu**

| s/n | Oluizugbe | Olu ndịỌka | Asụsụ Bekee |
|---|---|---|---|
| i | Ugbua | Fváà | Now |
| ii | Ebe a | ịkáà | Here |
| iii | Ebe ahụ | n'èfvú | There |
| iv | Etu a | Élé è | like this |
| v | Mba | Wáà | No |
| vi | Pụta | fụtá | Come out |
| vii | Bụ | fvụ | Is |
| viii | Mmiri | Ḿmílï | Water |
| ix | ọgịnị | ọdụnnụ | What |
| x | Kedụ | Kèé | How |
| xi | Isi | Íshí | Head |
| xii | Ire | Ílé | Tongue |
| xiii | ụkwụ | ọkpà | Leg |
| xiv | Ihu | Írú | Face |
| xv | Bi | Bù | Live |
| xvi | Akwa | àwò/ọgọdụ | Cloth |
| xvii | Ụlọ | ụnọ | House |
| xviii | Osimiri | Òshìmìlì | River |
| xix | Nzọpụta | Ńzọfụtá | Redemption |
| xx | Abali | Á]àshi | Night |

**3.2.4: Usoro okwu:**Ufọdụ usoro okwu n'olu ndịỌka nwere ụzọ o si dị iche n'usorookwu Igbo izugbe. N'ebe a, a ga-egosipụta ụfọdụ usoro okwu ndị dị iche n'Igbo izugbe ma gosikwa ogbo ya n'Igbo izugbe na n'asụsụ Bekee.

**Ọmụma atụ: No 9: Usoro okwu**

1(a) Igbo Izugbe: Ńrí dị n'ìtè.
1(b) Olu Ọka: Ńní dụ n'ìtè.
1(c) Bekee : there is food in the pot.
2(a) Igbo izugbe: Áhụrụ m yà táà.
2(b) Olu Ọka: Áfvuu m yà táà.
2(c) Bekee: I saw him today.
3(a) Igbo izugbe: Kèdú ébé ị gàrà?
3(b) Olu Ọka: kèé ịká I jèè?
3(c) Bekee: Where went you?
4(a) Igbo izugbe: Ázàlà ụlọ n'ụtụtụ.
4(b) Olu Ọka: Ázànà ụnọ n'ụtụtụ.
4(c) Bekee: Don't sweep in the morning.
5(a) Igbo izugbe: Ọ rụrụọrụ.
5(b) Olu Ọka: Ọ lụlụọlụ.
5(c) Bekee: He worked.
6(a) Igbo izugbe: Ọ bụ nwáànyị áhụ zọpụtàrà m.
6(b) Olu Ọka: Ọọ nwáànyá ànwụ zọfụtàlụ m.
6(c) Bekee: I was saved by that woman.

N'ọmụma atụ no 9, anyị ga-ahụ na e nwere ọtụtụ ndịiche nke sitere na mkpụrụokwu e ji mebe ahịrịokwu ndị a. Ọ bụ ezie na e nwekwara obere ndịiche na mwube usoro okwu mana ndịiche kacha pụta ihe n'ahịrịokwu ndị a bụ nke mkpụrụokwu e ji mebe ndokọokwu ndị a.

**4.0: NCHỊKỌTA NCHỌPỤTA NA MMECHI**

N'ebe a ka e kpokọtara nchọpụta niile e mere na nchọcha a ma tụnyegasịa aro maka itulekọrịta olu ndị ndịọzọ na Igbo izugbe.

**4.1: Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha**

Na nchọcha a, a chọpụtara na e nwere ọtụtụ olu ndị n'asụsụ Igbo. A chọpụtakwara na ha nwechara ụzọ ha si dị iche n'onwe ha na n'Igbo izugbe. A tụchapụtakwara ma tulekọrịta ụfọdụ mkpụrụ okwu olu ndịụfọdụ na nke izugbe ma gosi ndịiche dị n'etiti ha. Dị ka mkpụrụ okwu a bụ "na", n'olu ndịỌka, a na-akpọ ya "nyana", ebe a na-akpọ ya "yele" n'olu Izii ma na-akpọkwa ya "ne" n'olu Nsụka.

N'olu Ọka kpọmkwem, a tulekọritara usoro mkpọpụta, ụtọasụsụ, mkpụrụ okwu na usoro okwu olu ndịỌka na Igbo izugbe. N'usoro mkpọpụta, a chọpụtara na e nwere ụda asụsụ abụọ ndịỌka ji ezipụta ụda ndi esoghi n'igbo izugbe. Ụda ndị ahụ bụ /ɸ/ na /β/.

N'ụtọasụsụ, a tulere tensị dị iche iche, ụzọ nzipụta njụ, na ntimiwu nkwe na njụ ma chọpụta ụzọ pụrụ iche e si ezipụta ihe ndị a n'olu ndịỌka. Ebe ndịiche kacha pụta ihe bụ n'izipụta tensị ndịnazụ, tensị ndịmechaa na ntimiwu njụ. Na tensị ndịnazụ, a chọpụtara na a na-ewepụ nsonazụ "r(u)"ma were "l(u)" dochie ya. Na tensị ndịmechaa, a na-ewepụ nsonazụ "la" ma were "go" dochie ya. Na ntimiwu njụ, a na-ewepụkwa nsonazụ "la" ma were "n" na ụdaume dabara adaba dochie ya.

Na mkpụrụ okwu, a tụpụtara mkpụrụ okwu ndịiche n'olu ndịỌka na olu izugbe. Dị ka nchọpụta a siri dị, a chọpụtara na mkpụrụ okwu a bụ "ebe a" na ndịỌka na-akpọ ya "ịka a". A tụpụtakwara ọtụtụ mkpụrụ okwu ndịiche ndị a n'ime nchọcha a.

N'usoro okwu, e gosipụtara ụfọdụ usoro okwu olu ndịỌka ma gosi ebe o si dị iche n'olu izugbe. A chọpụtara na ndịiche na-apụta n'usoro okwu na-esikarị na mkpụrụ okwu e ji mebe usoro okwu ahụ.

**4.2: Mmechi**

Nchọcha a bụ nke e mere iji gosipụta na site n'etu mmadụ si kwuo okwu ma ọ bụ mkpụrụokwu o ji zipụta ebumnobi ya, na a ga-amata akụkụ ala Igbo onye ahụ si. Mgbe onye Igbo ọ bụla na-ekwu okwu n'asụsụ Igbo, ọ bụ ezie na ọ bụ Igbo ka ọ na-asụ, mana a na-esite na mkpụrụokwu di n'okwu o kwuru were mata akụkụ ala Igbo ebe o si, n'ihi na ọ pụghịịgbanahụ iwebata mkpụrụ okwu olu ndị mpaghara nke ya. A na-eme nke a site n'ịchọpụta ndị e ji mkpụrụ okwu ahụ mara ma si etu ahụ mata akụkụ ala Igbo onye ahụ si.

Na nchịkọta, nwa nchọcha mejupụtara ebumnobi ya na nchọcha a nke bụ igosipụta na a ga-esinwu n'okwu mmadụ kwuru mata akụkụ ala Igbo o si. Ọ gakwara n'ihu zipụta ndịiche dị n'olu ndịỌka bụ ebe ọ gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha ya na Igbo izugbe nke ga-eme na ebe ọ bụla onye Ọka kwuru okwu, na a ga-amatarịrị na ọ bụ onye Ọka. Nchocha a gosiri na n'agbanyeghi na e nwere asusu izugbe, o meghi ka olu ndi laa n'iyi, ma o bu ghara idi mkpa. Nchocha a na-adukwa nwa afo Igbo o bula odu ka o ghara ileda olu ndi ya anya. Ka om were ya kporo ihe. O na-egosikwa na e nweghi olu nd ka ibe ya mma. Ihe olu ndi na-aruru ndi Nsuka, Izii, Ekwulobia, Umuchu, Uga na Achina ka o na-aruru ndiOka. Nchocha na-egosikwa na o bu olu ndi di iche iche mebere asusu igbo. O bu ya mere ndi Igbo ji asu n'olu n'olu, ma ha kwaa ukwara, o buru otu.

## Edensibịa


Akpamgbo T. U (2016). Improving Advertising Through Indigenous Language In *Odezuruigbo. AnInternational Journal Of Igbo, African AndAsian Studies 1st Edition.*

Anagbogu,P.N., B.M. Mbah and C.A. Eme (2010). *Introduction to Linguistics*. Awka: AmakaDreams.

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiiki Sayensi Asusu.* Nsukka: Fulladu Publishing company.

Bloomfield, L. (1933). *Language*. London: George, Allen and Unwin ltd.

Boey, L. K (1975). *An Introduction to Linguistics for the Language Teachers.* Singapore: Singapore University Press for Regional English Language Centre.

Bourhis, R. Y., Giles, H. & Rosenthal, D. (1981). Notes on Construction of a Subjective VitalityOuestionaire for Ethnolinguistics Groups. *Journal of Multilingual And Multicultural Development*, 2(2), 145-155.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic Structures*. The Hague: Mouton.

Chomsky, N. (1975). *Reflections on Language*. New York: Pantheon.

Crystal, D. (1971). *Linguistics*. London: Hazell Watson and Viney Ltd.

Crystal,D. and Robert (2000). *Linguistic Genocide in Education*. Mahwah: Lawrence Erlbarem Associates, inc Publishers.

Egonu, N.G (2016). Asusu Igbo na Mwulite Obodo in *Odezuruigbo. An International journal of Igbo,African and Asian Studies* 1st edition.

Emenanjo, E.N (1978). *Elements of Modern Igbo Grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjo, E. N (1988). Nigeria Language Studies in Nigeria Tertiary Institutions. The Past, thePresent and the Future in Nigeria Language Studies. ( A journal of NINLAN, VOL 1).

Enete, A. N. (2014). *Ethnolinguistic Vitality Perceptions of Indigenous Languages as Frame work for a National Language Policy in Nigeria*: A Ph.D Thesis Proposal presented in Partial Fulfilment of the Reouirements for the Award of Ph. D in Linguistics. Nsukka:University of Nigeria.

Ezeumudo, M. O (1985). *Nchikota Omumu Asusu Igbo*. Onitsha: Kawuriz and Manilas publishers.

Ferdinand de Saussure (1916). *Cours De Linguistioue Générale*. Lausanne- Paris: Payot.

Finegan, E. (2008). *Language: Its Structure and Use.* Boston: Thomson Higher Education.

Finocchiaro, M (1989). *English as a Second Foreign Language.* Regents: Prentice Hall.

Francis, N. (1965). *The English Language. An Introdution Background for writing*. W W. Norton and Company.

Fromkin, V, Rodman, R. and Hyams, N. (2011). *An Introduction to Language*. Wadsworth: CengageLearning.

Giles, H. Bourhis, R. Y & Taylor, D. M. (1977). Towards a Theory of Language in Ethnic Group Relations. In H. Giles (Eds.), *Language, Ethnicity and Intergroup Relations,* (pp. 307-348). London: Academic Press.

Gleason, H. A (1961). *An Introduction to Descriptive Linguistics*. New York: Holt, Rinehart andWinston.

Gumperz, J. J (1972). The Communicative Competence of Bilinguals in *Language in Society* 1(1):143-154.

Harimurti, K. (1993). *Kamus Linguistik.* Gramedia Pustaka Utama.

Haviland,W. A. (2003). *Anthropology*. Wadsworth: Thomson Learning.

Hornby, A. S. (1974). *Oxford Advanced Learners Dictionary of Current English.* Oxford University

Hudson, R. A. (1980). *Sociolinguistics*. Oxford: Cambrigde University Press.

Husband, C. & Khan V. S. (1982) . The Viability of Ethnolinguistic Vitaity: Some Creative Doubts. *Journal Of Multilingual And Multicultural Development.* 3:193-205.

Mbah, B. M and Mbah, E. E. (2001). *Topics in Phonetics and Phonology*. Nsukka: Apex Press.

Ofoegbu, C. O. (2008). *Syntax: An Introductory Text*. Enugu: Malchpag publishers.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenala na Odinala ndi Igbo*. Enugu: Format publishers ltd.

Oparah, C. E. (2009). Amumamu Igbo na Agamniihu Ala Igbo in *Opiike. A journal of Igbo Languageand Culture Vol. 1, No.1*

Oparah, C. E. (2016). Nsogbu Olundi Na-Ebute n'Omumu Asusu Igbo Izugbe: Isiala Ngwa Di KaEbe Mgbakwasa Ukwu in *Odezuruigbo. An International Journal of Igbo, African and Asian Studies 1st edition*.
Oruchalu, S. U. (1987). *Fundamentals of Igbo Spelling.* Bloomington: Indiana University Press.
Ozo-Mekuri, N. (2016). *Convergence: English and Nigerian Languages. Festschrift for Munzali A. Jibril.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communications ltd & Emlai Press.
Pavlenko, A. & Blackledge, A. (1993). *Negotiation of Identities in Multilingual Context.* C'evedon:Multilingual Matters.
Prasad, T (2009). *A Course in Linguistics*. New Delhi: PHI Wearing publishers.
Sabtu (2012). Definition of Linguitics, Language and the Origin of Language. Retrieved fromhttps://tha-yunitasari.blogspot.com
Sapir, E ( 1921). Language: An Introduction to the study of Speech. Retrieved from https://www.bartleby.com
Seinde, A (1985). *Literary Appreciation*. Ibadan: Onibonoje Press and Book Industry Nig.
Stonehill, G, Westlea and Fuller D.D (1979). *Good News Bible*. Deterocanonical Aprocrypha.American Bible Society.
Thomason, S. G. (2001). *Language Contact.* George Souare, Edinburgh: Edinburgh University Press.
Thomson, W. (2008). *Language: its Structure and Use*. USA: Lachina Publishing Services.
Umeodinka, A. and Ugochukwu, C. (2016). Asusu Igbo di ka Ngwa Ahia in *Odezuruigbo. AnInternational journal of Igbo, African and Asian Studies 1st edition.*
Umeodinka, A. U. (2017). Ethnolinguistic Vitality Theory in *Theories of Contextual Linguistics*.Awka: Amaka Dreams.
Umeodinka, A. U. (2020). *Introduction to Contrastive Analysis.* Awka: Divine Press.
Wardhaugh, R. (2011). *An Introduction to Sociolinguistics.* Wiley- Blackwell.
Wen Oiu (2014). Aristotle's Definition of Language. *International Journal of English Literature andCulture. 2(8):194-202.*
Wibowo, R. (2001). *Language Management.* New York: Scholastic.
Yagmur, K., & Ehala, M. (2011). Does Ethnolinguistic Vitality Theory Account for the ActualVitality of Ethnic Groups? : A Critical Evaluation. *Journal of multilingual and multicultural development,* 10 (2), 8-10.